# IZUÒKÈ NKE JOB NIME ÓKÉ ỌNWỤNWA

**Job 1:1-22; 2:1-10; 13:15; 23:1-17; 27:1-6; 42:1-17**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 372**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ya buru Chineke ihe-árù, bú imebi iwu; Ya buru kwa Onye puru ime ihe nile ihe-árù, bú ime ajọ-omume. N'ihi na ọlu madu ka Ọ gākwughachi ya, Na dika uzọ nwoke si di, otú a ka Ọ gēme ka ọ huta" (Job 34:10, 11).**

**I Ọnwụnwa Nke Job**

1 Chineke kwenyere ka Setan nwaa okwukwe Job site ná nsogbu na nhụjuanya, Job 1:1-22

2 Nchépụta ọjọọ niile nke Setan nke nwapụtaara okwukwe Job ka Chineke naekwenye nime usoro iwu dị nsọ nke Chineke nke iji mee ka ndị nsọ dị ọcha karịa, na iji mezue àtụ̀mààtụ̀ niile nke Chineke, Job 2:1-9; Jọn 15:2; Ndi Hibru 12:5-13; 5:8; Ndi Rom 8:28

3 Setan nwara Job ime ka ọ daba n'ime iheọjọọ site ná mkpagide nke ọnwụnwa dị ukwuu, Job 1:9-11; 2:4; Daniel 3:1-18; Matiu 4:1-11; Luk 22:31

**II Ọtụtụ ihe iji Mee Ka Job Daambà**

1 Nwunye Job nyere ya ndụmọdụ ka ọgbakụta Chineke azụ́ wee nwụọ, Job 2:9; Ọnu-ọgugu 31:16; 2 Ihe Emere 32:15-18

2 Ndịenyi Job atọ boro ya ebubo na ọ bụ mmehie ọ náekwupụtaghị butere nsogbu ya niile, Job 4:7, 8; 8:6; 11:6, 13-16

3 Job hụrụ nleli na ịchịọchị nke ndị agbataobi ya n'ihi ihe otiti ya niile, Job 30:1-15; Abù Ọma 41:7-9

4 Nrịanrịa Job nyere ya óké ihe mgbu nke arụ ahụhụ na óké enweghị udo n'arụya niile, Job 30:16-18

5 Ọ dị Job ka ọ pụghị ịhụta Chineke, n'ihi nnọchigide Setan, nke a wetara ya óké mwute, Job 9:25-33; 23:1-17

**III Ntụkwasị obi Job Nime Chineke**

1 Job jigidesịrị okwukwe ya ike nime Chineke, náagbanyeghị óké ọnwụnwa niile na mwute nke anụarụ na mkpụrụobi nke emere ka ọ nágide, Job 27:1-6; 19:25-27; 13:15; 1:21, 22; 2:10; 23:10

2 Chineke tụgharịrị ịnọdịka onye adọtara n'agha nke Job ikpeazụ Job we karịa mmaliteya mma, Job 42:8-17; Eklistiastis 7:8

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Iheilereanya Nke Job**

Ụfọdụ mmadụ ka anaakpọ aha ọjọọ maọbụ aha ọma n'ihi ihe ụfọdụ ha mere, anaakpọkwasịkwa aha ha n'ihe ahụ ha mere ruokwa ebighịebi. Otùakaahụ, aha Judas abụrụwo ihe atụ̀ nke ịgbaizunzuzo site n'oge ahụ ọ rarasịrị Onyenwe ya, Jisọs Kraist nye. Aha Job ka anaamata banyere inwe ndidi. Nke ya bụ aha nsọpụrụ na ikwesintụkwasịobi n'ihi izuòkè o jidesịrịike náagbanyeghị ahụhụ niile dị karịsịrị ilu nke arụ na mkpụrụobi.

Job bụ onye kwere na Chineke ọ bụ kwa ezie na amataghị akụkọ ya nkeọma, ma aha ya na ihe edepụtara na ihe banyere ya bụ ihe dị ọcha náenwu nime akwụkwọ niile edere n'Okwu ebighịebi nke Chineke. Job bụ nwoke nke nwere ụdị izuòkè n'onwe ya nke mere na Chineke gosịrị ya Setan dịka iheàtụ̀ nke eziomume. Site na nzaghachị Chineke banyere Job, anyị naahụ́ na ekweghịekwe na ịchịọchị nke ụwa náachị nzukọ Kraist na eziomume ya malitere na Setan.

Setan kwuru nke a banyere Job, bụrụ kwa ihe ọ naekwu banyere NdịKraist na ha naefè Chineke n’ihi urù; wepụ urù ahụ maọbụ mejọọ ha n’arụ ha; na ha gaarapụ Chineke. Setan anwawo nke a ọtụtụ ugbò anaadịghị agụtaọnụ na ọgbọ dị icheiche megide ndịnke Chineke. Ma Chineke ewulitewo ndịkom na ndịnyom ndị gosịrị, site n’amara Chineke, na okwu Setan abụghị eziokwu, site nánguzosiike ha n’eziomume, ọ bụ ezie na ọ furu ọtụtụ nime ha ndụ ha.

Náajụghịajụjụ, akụkọ banyere Job abụrụwo óké mmeheanya nye ndị náesoụzọ Chineke. Anaakụziri ndị Kraist site n’akụkọ Job na ọ bụ Setan naeweta nhụjuanya na mkpagbu, ma na ụdị ihe ndịa nwere ihe ha naalụpụta bụrụ kwa uche Chineke n’ebe ndịnke Ya nọ. Mmehie na ihe ọjọọ ọ bụla adịghị esi n’ebe Chineke nọ abịa, maọbụ ihe ọ bụla nke iheọjọọ naeweta, dịka nrịanrịa na ọnwụ. Ma otúọdị, ọtụtụ ihe dị otú a naadị nime ụwa, ka oge ra NdịKraist naanọ n’ụwa ha gaezute ma náemeri kwa ihe ọjọọ niile ndịa. Na apụrụ izute ma meriekwa ha site n’amara Chineke bụ ihe ọ̀mụ̀mụ̀ anyị gaamụta site n’ọnwụnwa na nhụjuanya niile nke Job. Elere ya ule rue n’ihe mmadụ náapụghị ịnagide, ma ọ nọgidere n’ikwesịntụkwasịobi nye Chineke nime ihe ndịa niile.

**Ọnwụnwa Nke Iheọjọọ**

Otù ihe dị ukwuu dị mkpà ka ndị nke Chineke mụta nime mbusoagha niile Setan busoro Job bụ na agha ya siri na ọtụtụ ụzọ náabịa n’otù mgbe ahụ. Pọl sịrị na “ayi abugh ndi nāmagh ihe nile ọ nēcheputa” (2 Ndi Kọrint 2:11); na ụfọdụ ụzọ ya ka ekpughere site nime nnwapụta nke Job.

Anyị kwesịrị ịrịba ya àmà na ọnwụnwa Job bụ agha nke sitere n’ime na n’ezi. Emere ka ọ hụọ óké ahụhụ na nsogbu n’arụ ya, ma otùakaahụ lụọkwa óké ọgụ nime onwe ya banyere mkpụrụobi ya, Iji mee ka nsogbu Job baụba karịa, ndị kwesịworị ịkasị ya obi maọbụ inyere ya aka, kwuruokwu megide ya. Ndị ahụ kwesịwororị ime ka obi sie ya ike n’okwukwe o kwere na Chineke ghọrọ ndị náebo ya ebubo. Asị na Job ñarantị n’ụdị ịdụọdụ a, ọ gaatufuworị mkpụrụobi ya rue ebighịebi.

Ọzọkwa, ndị enyị atọ Job boro ya ebubo na ọ bụ mmehie zoroezo ọ náekwupụtaghị, mere ka ihe ọjọọ ndịa dakwasị ya. Ihe ndịọzọ Job gaanagide sitere n’aka ndịagbataobi ya na ndị ya nahá naalụkọọlụ ịchụntáego. Site n’ihe edere n’Akwụkwọnsọ anyị naamata na Job bụ nwoke anaenye nsọpụrụ n’etiti ndịobodo, anaewerekwa okwu ya dịka okwu sitere n’ọnụ nwoke nke nwere amamihe. Ịbaụba nke Chineke ji gọzie Job wetara ya óké aha na ịdịelu. Mgbe ebibisịrị àkụ̀ ya niile wee wedata ya onwe ya n’elu mkputamkpu nke ntụ, ùgwù na nsọpụrụ ya wee dị ka ihe emere ka ọ pụọ n’anya. Ọbụná ụmụntakirị nwere anyaike ịkpasu ya iwe site n’ime ya iheọchị, o wee bụrụ kwa ihe nleli n’ebe ndị agbataobi ya nọ.

Ọ bụ ihe onye ọ bụla naechè na ụdị ajọ ihe a nke dakwasịrị Job agaghị abụ ihe ọzọ ma ọ bụghị ikpéọmụma Chineke megide mmehie ya, n’ihi nke a ha wee náekwugide ya ajọokwu n’ihi mmehie nke ha náamaghị ihe banyere ya bụ́ nke ha naechè na o meworo.

Ọ bụ náání nwoke ahụ nke nwere okwukwe anapụghị ịkwadaakwada nime Chineke pụrụ iguzogide ụdị agha ọjọọ dị otú a megide mkpụrụobi ya dịka Job guzogidere. Chineke agaghị ekwe ka anwaa anyị karị otú anyị pụrụ ịnagide, Chineke matara na Job pụrụ, (na ọ gakwa) egosipụta ike nke nzọpụta na okwukwe ya nime Chineke. Ọnwụnwa ahụ bụ ka etufue olileanya na ntụkwasịobi ya nime Chineke, wee baa náenweghị ntụkwasịobi nke olileanya náadịghị na ya. Amara nke Chineke zuru ọnwụnwa ọ bụla, o zukwara mkpà Job. Amara nke Chineke ewezugaghị Job site n’ahụhụ nke ọnwụnwa ya n’ụzọ ọ bụla, ma o jigidere ya izuòkè ya nime Chineke wee me ka ọ gabiga baa ná mmeri dị ebube nye Chineke.

**Okwukwe Nke Job**

Eleghịanya, ihe dịkarịrị ike n’ọnwụnwa Job bụ na ọ pụghịkwa inwe mmetụ nke ịnọ nso Chineke. Apụrụ imeri óké ọnwụnwa ọsọsọ karị mgbe mkpụrụobi naadaberesiike nime okwukwe ahụ na Chineke mara nke ka mma, na Ọ gaeme kwa ka ihe niile rue n’ọgwụgwụ dịka Ọ chịchọ Ya si dị. Ọ dị mgbe Job sịrị “Le m’ga kwa n’iru, ma Ọ nọgh ya, m’ga kwa n’àzù, ma adighm-ahuta Ya … Ọ nēkpuchi Onwe-ya n’aka nri, m’we ghara ihu Ya” (Job 23:8, 9). Banyere n’ihe imetụ mmadụ n’arụ maọbụ n’obi, ọ dịghị olileanya dị. Ma okwukwe abụghị mmetụta n’arụ maọbụ n’obi, ọ dịghi olileanya dị. Ma nime ihe ndịa niile Job pụrụ ikwu sị “N’ihi na Ọ mawo uzọ m’nāga; mgbe Ọ waputasirim, dika ọla-edo ka m’gāputa”

(Job 23:10). Ùgbò ole ka ndị nke Chineke nwetaworo nkasịobi site n'okwu ndị ahụ! N'ihi na Job nwere okwukwe nke dị ọcha, ọ pụrụ ijigide izuòkè ya nime Chineke, ọ bụ ezie na ekpochapụwo àkụ ya niile, ọ nọ kwa n'óké arụụfụ, mkpụrụobi ya wee bụrụ kwa ihe ọchịchirị kpuchiri n'ihi mbuso agha ọjọọ niile nke mmadụ ibe ya na nke Setan.

Óké mkwuwapụta okwu nke Job banyere okwukwe ya nime Chineke n'oge ya nke gbakarịsịrị ọchịchịrị bụ ụfọdụ nime iheodide makarịsịrị mma nke dị nime Baịbụl. Ọ bụ náání site námkpali nke Mmụọ Nsọ ka o ji pụọ ilepụanya hụ oge ahụ Jisọs gaabịa nime mkpughe Ya. Job sịrị: "Ma mu onwem amawo na Onye-mgbaputam di ndu, na ọ gēbili kwa ọtọ n'elu ájá n'ikpe-azu: mgbe emebisi-kwara akpukpọ-arum nke a, ọ bu na m'gēsi n'anu-arum hu Chineke: Onye mu onwem gāhuru onwem, anyam abua gāhu kwa Ya, ọ bugh kwa onye ala ọzọ. Akurum abua, agwusiwo n'imem" (Job 19:25-27). Olileanya Mbiliten'ọnwụ bụ olileanya nke Nzukọ Kraist, Job gosipụtara onwe ya na ya kwesịrị iketa òkè nime Mbiliten'ọnwụ nke Mbụ ahụ.

Okwu Job, "Le, Ọ gēgbum; m'gagh-echere" (maọbụ "ọ bu ezie na Ọ gaegbum, aghaịm itukwasị Ya obi), dị ka ntụkwasịobi nke Abraham nwere mgbe ahụ ọ naejikere iji ọkpara ya chụọ àjànsureọkụ wee sị "Chineke gāhuru Onwe-ya nwa-aturu iji chu àjà-nsure-ọku. Nwam" (Jenesis 22:8).

**Ọgwụgwụ Nke Job**

N'ọgwụgwụ, Chineke gbanwere nsogbu Job, wee nyeghachị ya okpukpu abụọ nke ihe niile anapụworo ya. Ugwù ya wee dị ukwuu karịa ka ọ dị na mbụ. Ọ bụghị náání na ọ natara ọtụtụ ngọzi nke ihe ụwa a site n'ebe Chineke nọ n'ihi óké ikwesịntụkwasịobi ya, kama ịgbaàmà ya gaeweta ụgwọọlụ baraụba nime ebighịebi n'ihi ihe nlereanya dị ebube ọ rapụụrụ nzukọ Kraist.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1 Gịnị ka Setan jiri bọọ Job ebubo na nke mbụ?

2 Gịnị ka Setan jiri boo ebubo na nke ugbò abụọ?

3 Gịnị mere Chineke ji kwenye ka Setan busoo Job agha?

4 Gịnị bụ ndụmọdụ nwunye Job nyere ya ka o mee?

5 Gịnị bụ ebubo ndị enyi Job atọ boro ya?

6 Òlee otú anyị si mata na ibuagha nke Setan pụrụ ịdị ọtụtụ?

7 Kpọọ aha ụfọdụ ihe ndị mere ka Job daambà

8 Gịnị mere ndị enyi Job ji chee na Job emehiewo?

9 Òle otú anyị si mata na Job kwere ná Mbiliten'ọnwụ?

10 Gịnị bụ óké mkwuwaokwu Job banyere okwukwe ya nime Chineke?.